# Nka Ntecha Ahụ Ndị Igbo Dị Ka Ụzọ Nchedo Omenala N'usoro Kọrịkulum Sekọndịrị Nta

Eze, R. I. & Abonyi, A. N.
*Depatment of Arts Education, University of Nigeria Nsukka*

Correponding Author: Abonyi, A. N.

**Ụmị**
Nchọcha alebara anya na nka ntecha ahụ ndị Igbo dị ka *uhie, nzu, uli, ọtanjere*, na *odo* dịka ụzọ nchedo na ime ka omenala Igbo dị ndụ n'usoro kọrịkulum n'ogo ọmụmụ sekọndịrị nta. E mere nchọcha a na mpaghara ndịda ọwụwa anyanwụ Naijirịa; Enugu, Anambra, Imo, Abịa, na Ẹbọnyị ebe omenala Igbo sitere na ya. Ndị sonyere gụ nyere ndị nkụzi ụmụ akwụkwọ sekọndịrị, na ndị nka omenala. E ji usoro mbunuche họrọ ndị a maka na ha nwere amamihe gbasara nka omenala. A họpụtara ụlọ akwụkwọ ise, ma ọnụọgụ ndị e ji mee nchọcha dị iri isii na abụọ (62); ndị nkụzi dị iri (10), ụmụ akwụkwọ iri ise, na ndị nka omenala Igbo abụọ. E ji data e nwetara tụlee ọnọdụ nka omenala ndị a n'usoro ọmụmụ nka. Nchọpụta gosiri na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị maka nka ịchọ mma. Ndị nchọcha tụrụ aro ka e tinye nka omenala ndị a n'usoro ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ, kwado ndị nkụzi na nka ọdịnala, ma wube ezimmekọrịta n'etiti ụlọ akwụkwọ na ndị nka obodo iji chekwaa omenala Igbo n'etiti ọgbọọ hụụ.

**Igodo okwu:** *uli, uhie, nzu, ọtanjere, odo, Nka Igbo,* ọmụmụ.

## Ntọ Nchọcha

N'omenala Afrịka, *nka* abụghị ihe e mere naanị maka ịchọ mma; kama ọ bụ ụzọ e si egosi echiche, okwukwe, na ụkpụrụ ndụ nke ndị mmadụ. N'ala Igbo, *nka* ọdịnala bụ akụkụ dị mkpa nke ndụ mmadụ, n'ihi na ọ na-egosipụta njirimara, echiche, na ihe ndị e ji ama agbụrụ. Aniakor (2011) kwuru na nka *uli* na ntecha ahụ ndị ọzọ bụ ihe e ji akọwa njirimara na agwa ndị Igbo, ebe akara ya na ihe oyiyi ya bụ asụsụ ekwughekwu nke na-akọ akụkọ banyere ndụ mmadụ, chi, na ụwa gbara ha gburugburu. *uli, ufie, nzu, ọtanjere,* na *odo* bụ ụdị nka ọdịnala ndị Igbo ji achọ mma, mee emume ma gosipụta njikọ dị n'etiti mmadụ, mmụọ, na chi. *Uli* bụ nka a na-aka ede n'ahụ mmadụ ma ọ bụ n'elu mgbidi iji gosipụta ịdị mma, ịdị n'udo, na njikọta mmadụ na chi (Ikwuemesi, 2020). Akara ọ bụla dị n'uli nwere ihe ọ pụtara; ọ bụ asụsụ akara na nghọta nka (Onwuakpa, 2020). Chudi-Duru (2021) kwadoro na *uli* bụ akara nke e ji emezi echiche banyere ịdị mma, ịdị n'udo, na njirimara ụmụ nwaanyị Igbo. Ụmụ nwaanyị ndị na-ese uli na-akwalite ọdị-be-ndị ha site n'echiche nka na mmụọ. *uhie (ufie)* bụ ntụ ajaa na-eji ese ihe n'ahụ ma ọ bụ ihu mmadụ n'oge emume dị ka ịlụ nwaanyị, ịgbaafa ma ọ bụ emume ụọị *ọfala*. Ọ na-anọchi anya ike, ọṅụ, na ndụ ọhụrụ. Nwagbara (2017) kọwara na *uhie* bụ ihe ngosi nke ịdịnotu, ịdị ndụ n'udo, na mmekọrịta mmadụ na chi. Ọ na-enye mgbakwunye n'ọmarịcha agba nke mmadụ n'oge emume, na-eme ka anya maa mma ma kwado ọnọdụ mmụọ. *nzu,* n'aka nke ọzọ, bụ ntụ ọcha nke na-anọchi anya ịdị ọcha, eziomume na ịdị nsọ. Ọ bụ ihe e ji ekele chi, ekpeekpere ma ọ bụ mmepụta akara nke udo na ịdịnotu (Eze & Umo, 2021). A na-ewere *nzu* dị ka ihe kachasị nsọ n'ime nka ntecha ahụ mmadụ n'omenala Igbo, nke na-egosi ịdị n'udo, nghọta, na eziomume n'etiti mmadụ na chi. *ọtanjere* bụ ude eke ma ọ bụ ntụ sitere n'ala a na-eji eme akara n'anya mmadụ ma ọ bụ n'ahụ dị ka ihe ịchọ mma. Ọ na-enyekwa mgbakụnye na agba nke uli ma ọ bụ uhie, na-akwalite ịdị mma na nlezianya n'echiche nka Igbo. Ọ bụkwa ihe e ji akụziri ụmụ aka mmetụta nka site na agba na nhazi ọdị-be-ndị, n'ihi na ọ na-egosicta nkwanye ugwu nye ihe a

na-ahụ anya na ihe omimi nka omenala. *Òdò*' onwe ya bụ ihe nnọchi anya nke mmụọ nna nna na njikọ dị n'etiti ndị dị ndụ na ndị gabirila aga. Ọ na-apụta n'oge emume odo n'ala Nsụka na mpaghara ndị ọzọ dị n'ala Igbo. Eze na Umo (2021) kwenyere na ọ bụ nka na mmụọ jikọrọ ọnụ nke nwere ike inye aka kụziere ụmụ aka omume ọma, ịdị n'udo, na ugwu nye ndụ na chi. Odo na-anọchi anya mmeghari nke ndụ, ncheta nna nna, na nkwanye ugwu nye ndị gara aga; ya mere na ọ bụ akụkụ nka ọdịnala na nka mmụọ ndị Igbo.

N'agbanyeghị uru na omimi nka ndị a, mmetụta agụmakwụkwọ ọdịda anyanwụ emeela ka ọtụtụ n'ime ha kwụsị ịdị mkpa n'anya ụmụ akataa (Eziafo & Ndubuisi, 2018). Ụlọ akwụkwọ taa na-elekarịanya n'ihe sitere na mba ọzọ, ebe ihe gbasara omenala na nka ọdịnala anaghịzi abụ akụkụ nke usoro ọmụmụ (Nwagbara, 2017). Nke a emeela ka ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ghara ịghọta uru nka ndị a bara n'ịmụta banyere ọdị-be-ndị ha. Eze (2019) kọwara na agụmakwụkwọ kwesiri ịjikọ ndụ na omenala mmadụ; mgbe a hapụrụ njikọ ahụ, agụmakwụkwọ adịghị arụ ọrụ nke ọma n'ịkụziri ebumnobi, agwa, na njirimara mmadụ. N'echiche ọmụmụ nka, Vygotsky (1978) ụmụ aka na-amụta omenala ha nke ọma site na mmekọrịta mmadụ; Piaget (1972) kwukwara na amamihe ụmụ aka na-adabakarị n'ihe ha na-ahụ ma na–emekwa ụbọchị. Nke a gosiri mkpa e nwere itinye ihe gbasara nka ọdịnala n'usoro ọmụmụ sekọndịrị iji mee ka mmụta nwee ihe jikọrọ ndụ. N'ihi nke a, nchọcha a na-elekwasị anya n'ụzọ e si etinye nka dịka *uli, uhie, ọtanjere, nzu,* na *odo* n'ọmụmụ nka sekọndịrị dị ka ụzọ iji chekwaa omenala Igbo. Ikwuemesi (2020) kọwara *uli* dịka ihe ndị Igbo ji ekwupụta njirimara ha; ya mere, ịkụziri ụmụ akwụkwọ nka ndị a ga-enyere ha aka ịghọta na ịchọ mma bụ akụkụ nke mmụọ, echiche, na njiri mara mmadụ. Ọnwụekwe na Asogwa (2023) kwadoro na iji nka nụzụ ọhụụ kwalite ọmụmụ ihe gbasara nka ọdịnala dịka *uli, odo,* na ndị ọzọ nwere ike inye aka ichekwa ma mee ka ọ bụrụ ihe ga-adọrọ mma sị n'etiti ọgbọ ọhụụ.

N'ikpeazụ, ịmụ nka ọdịnala ndị a n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị abụghị naanị maka ịchọ mma; kama, ọ bụ ụzọ e si echekwa ụkpụrụ ndụ omenala, wulite ugwu ịbụ onye Igbo ma mee ka ụmụ akwụkwọ ghọta na nka bụ akụkụ dị mkpa nke njikọta mmadụ, chi, na ụwa gbara ya gburu gburu (Aniakor, 2011; Eze 2019; Chudi-Duru, 2021). Nke a ga-enye aka ịzụlite ọgbọ ọhụụ nke jikọtara ọgụgụisi, okike, na omenala n'ụzọ bara uru n'ụwataa.

**Nsogbu Nchọcha**

N'agbanyeghi na nka omenala Igbo dị ka *uli, uhie (ma ọ bụ ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* bụ ihe ndị e ji amata njirimara, eziomume, na mmụọ nke ndị Igbo, ọ bụzị ihe nwụrụ anwụ n'ụwataa. Ụwa nkanụzụ, mgbanwe n'agụmakwụkwọ, na mmegharị omume ndị ntorobịa emeela ka ọtụtụ ihe omenala a fuo efu n'ụzọ dị egwu. ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nta a anaghịzi ama ihe gbasara nka ndị a, ọbụragodu ndị nọ n'ụlọ akwụkwọ nka anaghị etinye ha n'usoro ọmụmụ ha. Nke a butere na ụmụ aka anaghịzikwa aghọta ihe gbasara ọdịnala, chi, na nghọta omenala nke na-eme ka mmadụ bụrụ onye Igbo n'eziokwu.

Ọtụtụ ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na-ele ụdị nka ndị a anya dị ka ihe ndị gara aga, ma ọ bụ ihe e ji arụarụsị, n'ihi na ha enweghizị nghọta metụtara uru ha bara n'ụwa ọmụmụ nka nke oge ugbu a. Ụzọ ọmụmụ a na-agbaso ugbu a na-agbado ụkwụ n'ihe ndị mba ọzọ, ma hapụ ihe omenala Igbo nke nwere amamihe na nghọta omimi gbasara ndụ mmadụ, udo na eziomume. Nke a emeela ka e nwee oghere n'agụmakwụkwọ nka sekọndịrị nke na-egbochi ụmụ akwụkwọ ịghọta mgbọrọgwụ nka ha na ọdị-be-ndị ha.

Ọzọkwa, enwechaghị akwụkwọ ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ gbasara *uli, uhie (ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* emeela ka ihe ndị a ghara ịdị n'usoro ọmụmụ. Nke a na-eme ka ndị nkụzi nwee nsogbu n'iji nkà ndị a mee ihe n'ụlọ akwụkwọ mgbe ha chọrọ ime ya. I ji mee ka nka Igbo ndị a hapụ ikpochapụ, nsogbu nchọcha a bụ ịchọpụta ka a ga-e si weghachite, kwado ma tinye nka omenala ndị a n'ụzọ nkụzi nke oge ugbu a n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị iji chekwaa njirimara, ọdịnala, na mmụọ nke ndị Igbo.

**Ntụleghari Agụmagụ**

Nchọcha gbasara itinye *uli, uhie (ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* n'ọmụmụ nka n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị egosila mkpa ha n'ịkwalite nghọta omenala, mmụọ okike, na agụmakwụkwọ nke oge ugbu a. Ụwa taa na-agbanwe ọsọ ọsọ site n'ịbanye na teknụzụ, ijikọ ụwa ọnụ, na mgbanwe n'usoro ọmụmụ nke na-emetụta ọdị-be-ndị Igbo n'ụzọ siri ike. Na mgbakwunye, *uhie* bụ ude uhie a na-enweta site n'osisi ụhe ma ọ bụ achi, nke a na-eji agba ahụ mmadụ n'oge emume dị iche iche. A na-eji ya egosi ihe dị ndụ, ike, ịhụnanya, na ntụkwasị obi n'etiti mmadụ na chi. A na-etinye *uhie* na ihu, aka, na ụkwụ dị ka akara arụsị, akara mmemme, ma ọ bụ akara e ji ekele chi. Ekwueme (2018) kọwara na *uhie* na-anọchi anya ike na ịdị ndụ nke mmadụ; ọ bụkwa ihe na-ejikọta mmadụ na ụwa mmụọ. Ụmụ nwaanyị Igbo, ọkachasị n'oge agbamakwụkwọ, ọmụmụ nwa, ma ọ bụ ofufe chi, na-eji *uhie* eme ihe iji gosipụta ọṅụ, ịdị ndụ, na ịdị nsọ.

*nzu* bụ ntụ ọcha ndị Igbo ji arụ ọrụ nsọ, nke na-anọchi anya udo, ịdị ọcha, na eziomume. Eze (2019) kọwara *nzu* dị ka "asụsụ udo," n'ihi na inye mmadụ *nzu* pụtara ịkpọ ya n'udo na nkwenye obi. N'oge *Ọmụgwọ* a na-eji ya ete nne na nwa ọhụụ maka udo na nchedo; n'oge ịnabata onye ọbịa ma ọ bụ inye ọjị, a na-etinye aka n'ime *nzu* iji kpee ekpere ma gosi ekele. N'oge iliozu, a na-eji *nzu* ekpere chi ka ọ na bata mkpụrụ obi onye nwụrụ anwụ. Ndị dibịa ji ya eme akara nsọ tupu ha akpụọ arụ, ọgwụgwọ, ma ọ bụ ibu amụma, iji kpọọ chi na mmụọ ọma. Ya mere, *nzu* bụ akara udo na njikọ n'etiti mmadụ, chi, na mmụọ, nke na-eme ka *ọdịnala* Igbo bụrụ nke dị nsọ.

















*Ọtanjere* bụ ude ajaaja ma ọ bụ ntụ aja eke a na-eji etecha ihunaanya n'omenala Igbo iji mee ka mmadụ maa mma ma gosipụta ịdị ọcha, ịhụnanya, na ịdị umeala. Chudi-Duru (2021) kọwara na nka dị ka *uli, uhie, nzu,* na *ọtanjere* na-anọchi anya echiche omimi gbasara ndụ mmadụ dịka eziomume, udo, na nkwanye ugwu. Nwafor (2019) gbakwụnyere na akara anụmanụ ndị Igbo ji eme nka dịka eke, mbekwu, na nnụnụ na-egosi amamihe na ndidi, nke na-akụziri mmadụ ndụ. Ya mere, *ọtanjere* abụghị naanị ihe ịchọ mma ka ma ọ bụ akara nka ọdịnala nke na-egosipụta eziomume, nkwanye ugwu, na nghọta mmadụ n'ụwa Igbo.







Uru na ọrụ *uli, uhie (ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* bara n'ọdị-be-ndị Igbo mere ka ha bụrụ ihe ndị Igbo jiri arụ ọrụ nka, mmemme, na nkwukọrịta. *Uli* bụ akara nka na asụsụ nke na-ekwurịta echiche dị omimi banyere ndụ mmadụ; *uhie (ufie)* bụ ude uhie nke na-anọchi anya ike na ndụ; *nzu* na-egosi ịdị ọcha na udo; *ọtanjere* na-egosi ịdị umeala n'obi; ebe *odo* na-anọchi anya njikọta mmadụ na chi site n'ọrụ mmụọ. Mgbe e jikọtara ha ọnụ, ha na-eme ka ọha mmadụ nwee nghọta nke ịdị n'otu, ịdị n'udo, na ịdị nsọ n'ime mmụọ.




Onwuakpa (2020) kwuru na a na-eji akara *uli* egbu mgbidi n'ụlọ ndị Igbo iji mepụta gburugburu mara mma ma gosipụta akara mmụọ dị nsọ dịka nke Eke, Orie, Afọ, na Nkwọ N'otu aka ahụ, a na-eji *uhie (ufie), nzu,* na *ọtanjere* agba mgbidi ma ọ bụ ahụ mmadụ dịka ihe a na-eji egosipụta chi na mmụọ. N'oge emume agbamakwụkwọ, ọmụmụ nwa, ma ọ bụ ofufe chi, a na-eji ha eme ihe ọṅụ maka na ha na-egosipụta ike, ịdị nsọ, na ịdị ndụ. Nwoga (2015) kwuru na iji *nzu* kpọkuo chi pụtara ịkpọku chi n'udo, ebe iji *uhie* gbaa ahụ pụtara ịkpọku chi ike na ndụ. *Odo* n'aka nke ya na-akpọ mmụọ nna nna ka ha nọọrọ ụmụ ha nso, kwado ha, ma doo ha ndụ n'udo.

Iwebata nka ọdịnala ndị a: *uli, uhie (ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* n'usoro agụmakwụkwọ sekọndịrị ga-enye ụmụ aka ohere iji omenala ha mepụta nka, jiri amamihe ha chepụta ihe ọhụrụ, ma ghọta uru *ọdịnala* ha nwere n'ụwa nka nụzụ taa. Eze (2019) na Eze & Umo (2021) kwadoro na nke a ga-akwalite nghọta ụmụ aka banyere asụsụ, omenala, na njirimara onye Igbo. Onwuekwe na Asogwa (2023) gosiri na e nwere ike iji akara *uli, odo, nzu,* na *uhie (ufie)* mee ihe dijitalụ dị ka eserese kọmputa, mgbasa ozi ma ọ bụ ihe ngosi n'ụlọ akwụkwọ. Nke a na-egosi na *ọdịnala* Igbo nwere ike ịdị ndụ site n'agụmakwụkwọ nke nka nụzụ.







Eziafọ na Ndụbuisi (2018) kọwara na ịmụ nka ọdịnala dị otu a bụ ụzọ e si eweghachite obi *ọdịnala* n'ime ụmụ aka, nke ga-eme ka ha nwee njikọ siri ike n'ebe agbụrụ ha nọ. Nwagbara (2017) kwadoro na agụmakwụkwọ bụ ụzọ kachasị ire e si enyegharị *ọdịnala* n'etiti ọgbọ. N'ụzọ pụrụ iche, nchọpụta dị iche iche (Eze & Umo, 2021; Chudi-Duru, 2021; Nwafor, 2019; Onwuakpa, 2020) gosiri na ịkụziri ụmụ akwụkwọ nka ndị a na-akwalite okike, ngosi, na njiri mara mmadụ.

N'ime nchịkọta, *uli, uhie (ufie), nzu, ọtanjere,* na *odo* bụ ụzọ ndị Igbo si egosipụta ihe gbasara ndụ, eziomume, udo, na ịdị n'otu. Itinye nka ndị a n'agụmakwụkwọ sekọndịrị abụghị naanị ịkụzi nka; kama, ọ bụ ụzọ e si amụta banyere njirimara, nkwanye ugwu, na ịdị n'udo n'etiti mmadụ na chi. Ọ bụrụ na a na-eji nka ndị a kụziere ụmụ aka taa, ọ ga-eme ka *ọdịnala* Igbo dị ndụ, kwalite

okike, ma mee ka ụmụ akwụkwọ nwee ugwu n’okike na ọdị-be-ndị ha ọ bụragodu n’ụwa dijitalụ nke oge ugbu a. Mbunuche nchọcha gụnyere ịtụcha ọnọdụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo dị ka *uhie*, *nzu*, *uli*, *ọtanjere* na *odo* n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị taa, mkpa nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị anwere n’ịkwalite okike na nghọta nka mma omenala ndị Igbo n’etiti ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na ụzọ e nwere ike isi jikọta nka osise na ntecha ndị Igbo n’usoro ọmụmụ nka n’agụmakwụkwọ maka ichekwa na ịkwalite omenala ndị Igbo?

**Usoro Nchọcha**

Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa na nnyocha ọnụọgụgụ iji nyochaa ọnọdụ nka ịchọ mma n’agụmakwụkwọ sekọndịrị n’ala Igbo. Eze (2022) kọwara na e ji usoro nchọcha a mgbe a chọrọ iji ngwaa nchọcha njụmaaza, ajụjụ ọnụ ma ọ bụ nnyọcha chopụta atụmatụ na echiche ndị mmadụ gbasara nchọcha e ji n’aka.

Ebe a nọ mee nchọcha a na mpaghara ndịda ọwụwa anya nwụ Naijiriạ, bụ ebe ndị Igbo bi nke ukwuu. Mpaghara a gụnyere steti Enugu, Anambra, Imo, Abịa, na Ẹbọnyị. A họpụtara mpaghara a maka na uli na ọtụtụ nka eserese ịchọ mma sitere n’omenala ndị Igbo, ma e nwekwara ọtụtụ ụlọ akwụkwọ sekọndrị ebe a na-akụziri nka. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nwere njikọ n’ ọmụmụ nka na omenala. Ha gụnyere ndị nkụzi nka n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nke na-amụ Visual Arts, na ndị nka omenala Igbo mara ihe gbasara nka eserese ịchọ mma ndị Igbo. A họpụtara ụlọ akwụkwọ ise, ma ọnụọgụ ndị e ji mee nchọcha dị iri isii na abụọ (62); ndị nkụzi dị iri (10), ụmụ akwụkwọiri ise, na ndị nka omenala Igbo abụọ mara ihe gbasara nka ịchọ mma. Ọnụọgụ ndị a niile sitere n’ụlọ akwụkwọ dị iche iche n’ime mpaghara ndịda ọwụwa anyanwụ Naijiriạ nke nyere ohere ka e nwee nkọwa sitere n’aka ndị dị iche iche. Ihe mere ndị nchọcha ji were ndị nkụzi mee nchọcha bụ na ha bụ ndị mara ebe ụmụ akwụkwọ na-erimperi maka ịkwalite imeta nke ọma ụmụ akwụkwọ.

Ngwa e ji mee nchọcha a bụ njụmaza n’inyocha Ọnọdụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka *uhie*, *nzu*, *uli*, *ọtanjere*, na *odo* n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị taa (ỌNONIMANI) dị iri na ise (15) n’ọnụọgụ. Ajụjụ njụmaaza a dị nkebị atọ nke ndị nchọcha mebere n’onwe ha. Nkebi nke ọ bụla dị ise. Na nchọcha a, ndị e ji mee nchọcha nyere ọsịsa ha site n’itinye akara (✓) n’ebe masịrị ha : Ekwenye siri M Ike (EMI) 4, Ekwere M (E) 3, Ajụrụ M (EM) 2, Ajụ siri M Ike (EMỌ) 1.

Ajụjụ ọnụ nyere aka ịnata nghọta miri emi sitere n’aka ndị nkụzi na ndị ọkachamara, ebe njụmaza ajụjụ ọnụ akwụkwọ e kesara ụmụ akwụkwọ nyere ohere ịmata ogo ihe ọmụma ha gbasara nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ. Ozi e nwetara site n’ụzọ ndị a niile ka e nyochara site n’iji ngwa mgbakọ.

Nchọpụta usoro miin na ndịpụ n’izugbe, gosiri na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ nwere mean dị ala (M = 1.82, NN = 0.47), nke pụtara na ha amaghị uru dị n’ọmụmụ nka. Nke a kwadoro na uli anaghị ewere ọnọdụ doro anya n’usoro ọmụmụ nka n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị.

**Ọnọdụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ n’ala Igbo**
**Tebulu 1:**
**Ọnọdụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị taa**

| N | Ajụjụ | N | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Kwenyere | Ekwenyeghi |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | A na-amụ uli dị ka akụkụ nka n'ụlọ akwụkwọ anyị. | 60 | 2.24 | 0.87 | 18 | 42 |
| 2 | Ndị nkụzi nka maara ihe gbasara uli, uhie (nzu), odo na ọtanjere n'omenala Igbo. | 60 | 2.16 | 0.91 | 20 | 40 |
| 3 | Ụlọ akwụkwọ nwere ihe atụ na ihe ngosi nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo n'ụlọ nka. | 60 | 1.94 | 0.82 | 15 | 45 |
| 4 | Ụmụ akwụkwọ nwere mmasị ịmụ ihe gbasara nka omenala ndị a. | 60 | 2.28 | 0.95 | 22 | 38 |
| 5 | Enweghị usoro doro anya maka ịkụzi nka omenala ndị a n'agụmakwụkwọ nka. | 60 | 3.72 | 0.88 | 46 | 14 |

**Nkenizugbe dum: 2.39; ndịpụ n'izugbe nkịtị SD: 0.89**

Tebulu 1 na-egosi ọnọdụ ọmụmụ nka omenala nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka *uhie, nzu, uli, ọtanjere,* na *odo* n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị oge ugbu a. N'aka nke ọzọ, azịza nwere miin dị elu (3.72) gosiri na ọtụtụ ndị zara ajụjụ kwenyere na enweghi usoro doro anya e guzobere maka ịkụzi nka omenala ndị a n'ime agụmakwụkwọ nka n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Nkenizugbe dum nke 2.39 na-egosikwa na-egosi mkpa dị ukwuu maka imeziwanye usoro mmụta nka ka ọgụnye omenala ndị Igbo nke ọma.

**Uru na mkpa nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo nwere n'ịkwalite okike na omenala n'etiti ụmụ akwụkwọ sekọndịrị**

**Tebulu nke Abụọ**

Miin na Ndinizugbe uru na mkpa nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo dị ka *uhie, nzu, uli, ọtanjere*, na *odo* nwere n'ịkwalite okike na nghọta nka omenala Igbo n'etiti ụmụ akwụkwọ sekọndịrị

| N | Ajụjụ | N | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Kwenyere | Ekwenyeghi |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Ịmụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka uhie, nzu, uli, ọtanjere na odo na-akwalite okike (creativity) n'etiti ụmụ akwụkwọ. | 60 | 3.84 | 0.74 | 52 | 8 |
| 2 | uli, uhie, odo na ọtanjere na-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịmata echiche dị na nka mma (aesthetics) Igbo na nke ndị ọzọ. | 60 | 3.79 | 0.77 | 50 | 10 |
| 3 | Ịmụ nka uli, uhie, odo na ọtanjere na-akwalite nkwanye ugwu nye omenala Igbo. | 60 | 3.91 | 0.72 | 54 | 6 |

| N | Ajụjụ | N | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Kwenyere | Ekwenyeghi |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 4 | Ịmụta nka uli, uhie, odo na ọtanjere nwere ike ime ka ụmụ akwụkwọ mara njirimara omenala ha. | 60 | 3.68 | 0.83 | 48 | 12 |
| 5 | Ịmụta nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka uhie, nzu, uli, ọtanjere na odo nwere ike ime ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị n'ọmụmụ nka omenala. | 60 | 3.82 | 0.79 | 51 | 9 |

**Nkenizugbe dum: 3.81; Ndịpụ n'izugbe nkịtị: 0.77**

Tebulu nke abụọ na-egosi na e nwere nkwenye siri ike n'etiti ụmụ akwụkwọ sekọndịrị maka uru ịmụ nka Igbo dị. Akara miin niile karịrị 3.50 pụtara na ọtụtụ kwenyere na nka ndị a na-akwalite okike, nghọta banyere nka mma Igbo, na mmepe njirimara omenala. Azịza ajụjụ nke atọ (M = 3.91) gosiri na ịmụ nka ndị a na-akwalite nkwanye ugwu na mgbalị ịchekwa omenala Igbo. Nka ndị a; uli, uhie, ọtanjere, nzu, na odo abụghị naanị ihe ịchọ mma. Ha bụ ụzọ e si akwalite nghọta, ịdị n'udo, mmekọrịta mmadụ na mmụọ, na njirimara omenala Igbo. Ịmụta ha n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị na-eme ka ụmụ akwụkwọ nwee ugwu n'omenala ha, echiche okike, ma nwee njikere ịkwado ọdị-be-ndị Igbo n'ọgbọ ọhụụ. Nkenizugbedum nke 3.81 na-egosikwa n'ozuzu ịmụ nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nwere nnukwu uru n'ịkwalite nghọta omenala n'ọgbọ ọhụụ.

**Ụzọ e nwere ike isi jikọta nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ n'usoro ọmụmụ nka n'oge ugbu a maka ichekwa na ịkwalite omenala Igbo site n'agụmakwụkwọ**

**Tebulu nke Atọ:**

**Miin na Ndịpụ n'izugbe ụzọ ijikọta nka osise, ntecha na ịchọ mma n'usoro ọmụmụ nka n'oge ugbu a maka ichekwa omenala Igbo n'agụmakwụkwọ**

| N | Ajụjụ | N | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Kwenyere | Ekwenyeghi |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | A ga-agụnye nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka uhie, nzu, uli, ọtanjere na odo n'usoro ọmụmụ nka n'ogo sekọndịrị. | 60 | 3.87 | 0.70 | 53 | 7 |
| 2 | A ga-eji nka omenala Igbo mee ihe ọmụmaatụ n'usoro nkuzi nka. | 60 | 3.81 | 0.75 | 51 | 9 |
| 3 | Ụlọ akwụkwọ kwesịrị ịmepụta ebe ngosi maka nka omenala dị ka nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo. | 60 | 3.68 | 0.82 | 48 | 12 |
| 4 | Ụmụ akwụkwọ kwesịrị ime ọrụ ngosi gbasara nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị | 60 | 3.73 | 0.79 | 49 | 11 |

| N | Ajụjụ | N | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Kwenyere | Ekwenyeghi |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | Igbo. | | | | | |
| 5 | A ga-akwado ndị nkụzi n'ọmụmụ ihe gbasara nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo site n'ọzụzụ pụrụ iche. | 60 | 3.94 | 0.68 | 55 | 5 |

**Nkenizugbe dum: 3.81; ndịpụ n'izugbe nkịtị: 0.75**

Tebulu 3 gosiri nkwado azịza maka itinye nka omenala ihe osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka uli**,** uhie**,** ọtanjere**,** nzu**,** na odo n'agụmakwụkwọ nke oge ugbu a. Nkwenyesiri ike n'etiti ndị zara ajụjụ (N = 60) pụtara ihe maka ụzọ e nwere ike isi jikọta nka osise, mma ahụ mmadụ ndị Igbo n'usoro ọmụmụ nka n'oge ugbu a site n'agụmakwụkwọ. Nke a gosiri nke ọma n'ihi na miin ajụjụ niile karịrị akara mkpebi 3.50, nke pụtara na ọtụtụ n'ime ndị zara ajụjụ kwenyere na aro niile e nyere. Nkenizugbe dum (Gross Mean) 3.81 na-egosikwa n'ozuzu ya na itinye nka omenala Igbo n'agụmakwụkwọ nwere nkwado na ọ bụ ụzọ dị irè e si echekwa, kwalite na nyefee omenala Igbo n'ọgbọ na-abịa. Nsonazụ a na-egosi na ijikọta nka dị ka uli, uhie, ọtanjere, nzu na odo n'usoro ọmụmụ nka ga-enye aka iwulite nghọta omenala, okike na njirimara Igbo n'etiti ụmụ akwụkwọ sekọndịrị.

**Ọrụ Ndị okenye Obodo Abụọ na nchọpụta a**

E wezụga data e nwetara site n'akwụkwọ ajụjụ e kesara ụmụ akwụkwọ sekọndịrị iri isii (60), e jiri ndị okenye obodo abụọ mara ihe gbasara nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo. Ndị ikoma abụghị akụkụ nke ndị zara ajụjụ e jiri mee tebulu, kama e ji ha mee ndị ozi omenala.

Ha nyere nkọwa omenala maka ojiji nka ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị iche iche, tinyere oge na ebe a na-ejikarị ha eme ihe, gosi ka esi akwadebe ma jiri nka ndị a eme ihe n'usoro omenala, nyee nkọwa gbasara mgbanwe nke oge ugbu a. Nchọpụta sitere n'aka ndị okenye obodo abụọ a gosiri na nka ịchọ mma ahụ ndị Igbo abụghị naanị ihe ịchọ mma**,** kama ha bụ akụkụ dị mkpa nke nkwenye, njirimara na mmekọrịta mmadụ na mmụọ n'omenala Igbo. Ha kwadokwara na itinye nka ndị a n'usoro ọmụmụ nka n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ga-enyere aka ichekwa ma nyefee omenala Igbo n'ọgbọ na-abịa.

**Nkọwa Nchọpụta**

Nchọpụta gosiri na nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo dị ka *uhie*, *nzu*, *uli*, *ọtanjere*, na *odo* bụ ihe e ji amata ndị Igbo n'ụwa nka, ma taa, e chefuru ha n'agụmakwụkwọ sekọndịrị. Nchọpụta gosikwara na e nweghị usoro doro anya maka ịkụzi ma ọ bụ imepụta nka ndị a n'ụlọ akwụkwọ, nke mere ka ọ dị mkpa iwulite ụzọ ọhụụ iji jikọta ha n'usoro ọmụmụ nka nke oge ugbu a. Aniakor (2011) Eze (2019) kwadoron a ọ ga-enye aka ichekwaba omenala Igbo n'etiti ọgbọ ọhụụ.

**Mmechi**

Nchọpụta gosiri na Itinye nka ndị a n'usoro ọmụmụ nka nwere ike ime ka echekwaa  njirimara omenala Igbo, mee ka ụmụ akwụkwọ ghọta na nka abụghị naanị ihe anya na-ahụ, kama na ọ bụ akụkụ pụrụ iche n'usoro ọmụmụ nka sekọndịrị**.**

**Aro**

1. Ọ dị mkpa ịgụnye nka ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo n'usoro ọmụmụ nka sekọndịrị iji mee ka ụmụ akwụkwọ mụta nka omenala
2. Ọ ga-adị ezi mma ịzụ ndị nkụzi n'ihe gbasara nka omenala Igbo ka ha nwee nkà na amamihe ikụzi ya nke ọma.
3. Ụlọ akwụkwọ dị iche iche tosịrị ịmepụta ebe ngosi nka ebe na ihe ọmụmaatụ nka omenala Igbo maka ikụzi nka osise, ntecha na ịchọ mma ahụ mmadụ ndị Igbo, iji mee ka ha nwee mmetụta omenala ha.
4. A ga-akwalite mmekọrịta n'etiti ụlọ akwụkwọ, ndị nka omenala, na ndị ọkammụta omenala iji nye ụmụ akwụkwọ ohere ịmụta nka ntecha na ịchọ mma ahụ ndị Igbo; *uhie*, *nzu*, *uli*, *ọtanjere*, na *odo* n'aka ndị mara ihe gbasara nka ndị a n'obodo.
5. Gọọmentị na ndị otu nka na omenala, tosiri inye nkwado ego na akụrụ ngwa iji kwado ọmụmụ gbasara nka omenala Igbo, maka inyefe nka omenala ndị Igbo n áka ndị ọgbọ ọhụụ

**Nrụmaka**


Aniakor, C. C. (2011). *uli art and Igbo identity*. Nsukka: University of Nigeria Press.

ChatGPT. (2025, October 12). *Digital illustration showing uli, nzu, and uhie body and wall art in Igbo culture* [AI-generated image]. Open AI. https://chat.openai.com/

Chudi-Duru, C. (2021). *Symbolism and aesthetics in uli art*. Enugu: Demy Prints.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta asụsụ Igbo n'ogo sekọndirị Juniọ*. Nsukka: Chuka Educational Publishers. ISBN: 978-978-56751-8-4

Eze, R. I., & Umo, U. C. (2021). *Ụtọ asụsụ na omenala Igbo n'ogo seniọ sekọndịrị, SSCE (Maka SSCE, NECO, NABTEB na JAMB).* Lagos: Merit International Publication.

Eziafo, O., & Ndubuisi, C. (2018). *Reviving indigenous art education in Nigerian schools*. Enugu: Sunrise Academic Press.

Ikwuemesi, C. (2020). *The language of uli: A visual and cultural expression of Igbo identity*. Enugu: Fourth Dimension Publishers.

Nwagbara, U. (2017). *Cultural heritage and contemporary art education in Nigeria*. Owerri: Totan Publishers.

Nwafor, P. (2019). *Animal motifs in uli art: Meaning and moral lessons*. Awka: Global Academic Press.

Onwuakpa, P. (2020). *The linear essence of uli art in Igbo aesthetics*. Nsukka: Heritage Publishers.

Onwuekwe, C., & Asogwa, V. (2023). *Digital adaptation of uli symbols in modern education. Journal of the Faculty of Humanities, 21*(3). Mbutu site na www.ichekejournal.com

Piaget, J. (1972). *The psychology of the child*. New York: Basic Books.

Vygotsky, L. S. (1978). *Mind in society: The development of higher psychological processes*. Cambridge, MA: Harvard University Press.